lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Jizọs Onye Ozizi Ukwu



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Byron Unger; Lazarus
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
E. Frischbutter; Sarah S.

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.



Jizọs bụ nnukwu onye nkuzi – nke kacha mma mgbe ọbụla. Ìgwè mmadụ gere Ya ntị.



Jizọs gwara ha ka ha na-eme ebere, bụrụ ndị dị mma na ndị nwere obiọma. Ndị ọzọ nwere ike ịkpọ ha asị ma merụọ ha ahụ́, ma Chineke ga-eleta ha anya.



Jizọs kuziri ọtụtụ ihe.  O kwuru na ndị nke Chineke na-enwupụta ka ihe nye ụwa dịka oriọna si enye ihe n’ụlọ. Lee ihe dị iche oriọna na-eme n'ime ụlọ gbara ọchịchịrị!

Ndị Jizọs na-agwa okwu kweere na ịbọ ọbọ, “Anya lara anya, eze lara eze.”  Ma Jizọs kuziri maka obiọma, mgbaghara na ịhụnanya, ọbụna n'ebe ndị iro nọ.





N'oge Jizọs, ụfọdụ ndị mere ka hà bụ ndị dị nsọ. Ha nye ndị arịrịọ ego, ha na-eme ka otu nwoke fụọ opi ka onye ọbụla wee lee anya hụ ihe ha mere. Jizọs wee si ha, "Na-enyenu ihe na nzuzo, Chineke ga-akwụghachikwa unu ụgwọ ọlụ unu," ka kwuru.

Jizọs kuziri otu ihe ahụ gbasara ekpere. Ụfọdụ ndị mmadụ na-ekpe ekpere n’akụkụ okporo ámá ndị na-ekwo ekwo ka onye ọbụla wee hụ ma nụ ha. Ha echeghị banyere Chineke. Ha na-eche maka ihe ndị ọzọ chere banyere ha. Jizọs kpọrọ ha ndị ihu-abụọ - ndị na-eme ihe nkiri ụgha.



Jizọs na-ejikarị okike akọwa nkuzi ya. Dị ka ihe atụ, ọ tụrụ aka na nnụnụ. “Nna unu nke eluigwe na-azụ ha,” ka o kwuru. “Echegbula onwe gị, Chukwu ga-azụkwa gị.”



“Ọbụna Eze Sọlọmọn bara ọgaranya ka eyikwasịghị uwe nke ọma dịka okooko osisi,” ka Jizọs gara n’ihu na-ekwu.  Ọ buru na Chineke yikwasịrị ahịhịa nke ubi uwe, Ọ gaghị-eyikwasịkwa gị uwe?  Jizọs nọ na-akụziri ndị mmadụ ka ha tụkwasị Chineke obi bụ́ Onye na-egbo mkpa anyị niile.



“Ọ bụrụ na ị na-ekpe nwanne gị ikpe, ọ dị ka ịgbalị iwepụ irighiri ahịhịa n’anya ya mgbe ị nwere nnukwu osisi n’ime anya nke onwe gị,” ka Jizọs kwuru. Ma eleghị anya, ndị mmadụ chiri ọchị. Ma, ha kwesịrị ichebara ihe ọ pụtara echiche.





Jizọs kwuru na ndị mmadụ kwesịrị ịrịọ Chineke maka enyemaka.  Ndị nna nke ụwa hà na-enye otu nkume mgbe ụmụaka agụụ na-agụ na-arịọ nri?  Mba! Ha na-enye ihe ọma.  Chineke na-enyekwa ndị na-arịọ ihe ọma.

Jizọs, onye-nkuzi dị ukwu, dọrọ aka ná ntị gbasara ndị ozizi ụgha. “Ha na-eji ejiji dị ka atụrụ,” ka Jizọs kwuru. “Ma n'ime, ha bụ anụ ọhịa jọkarịrị na njọ!” O kwuru na a ga-eji ndụ ha na-ebi mara ndị ozizi ụgha.



N’akụkọ ọ kọrọ, Jizọs gosiri na ndị na-erubere Okwu Chineke isi dị ka nwoke wuru ụlọ ya n’elu nkume. Oké ifufe dị egwu bilitere. Mgbe o mechara, ụlọ ahụ guzosiri ike.



Ma onye nzuzu wuru ụlọ ya n’elu aja. Mgbe oké ifufe na-efekwasị ya, o wee daa n'ihi ntọ-ala-ya adịghị-ike. Jizọs kwuru na ndị na-adịghị erube isi n’okwu Chineke yiri nwoke ahụ.



Okwu Jizọs tụrụ ìgwè mmadụ ahụ n’anya. Ha anụtụbeghị ụdị ihe ahụ. Ugbua, ha amarala o zughị oke bụ naani ịnụ Okwu Chineke. Ha kwesịkwara irubere ya isi kwa ụbọchị.



Jizọs Onye Ozizi Ukwu

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Matiu Isi nke ise rue nke asaa,
Luk Isi nke isii

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie.  Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi.  Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia!  O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi!  O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo.  Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi.  Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi.  Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile!  Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.